# Ntụlekọrịta 'Na' n'Igbo Izugbe na Oluasụsụ Nekede

Felista Chidi Akidi
*http://dx.doi./org/10.4314/ujah.v20i2.10*

**Ụmịedemede**

*'Na' so n'otu ihe ọmụmụ nke onye ọ bụla na-amụ asụsụ Igbo izugbe ga-ezuteriri. Ọtụtụ mgbe ọ na-adị mfe iji ya eme ahịrịokwu n'ọsụsụ mana ọ naghị adị mfe ide ya ede n'ihi e nwere usoro dị iche iche a na-agbaso were ede ya. Etu e si ede ya mgbe ọ na-arụ ọrụ dị ka njikọ, nnyemakangwaa, mbuụzọ, isingwaa dg dịcha iche iche. A hụtara na ọ bụghị ụzọ e si eji 'na' eme ahịrịokwu n'Igbo izugbe ka e si eji ya eme mgbe niile n'oluasụsụ Nekede. Nke a kpalitere nchọcha a. A chọrọ ịchọpụta ebe dị iche iche a na-enweta myiri maọbụ ndịiche n'etiti Igbo izugbe na oluasụsụ nekede. Iji mee nke a ọchọcha ji atụtụ ndịmịiche Lado (1957) mee nsekesị. A chọpụtara na ndị Nekede nwere ụzọ dị iche iche ha si ezipụta iji 'na' eme ahịrịokwu dịwaga iche na nke Igbo izugbe nke bụ ka asụsụ epum ha si kwado, nke abụghị nsụjọ. E nwekwara ebe iji 'na' eme ahịrịokwu n'oluasụsụ Nekede yiri nke Igbo Izugbe. Nchọcha a ga-eme ka onye nkụzi mara etu ọ ga-esi wee kụziere onye na-asụ oluasụsụ Nekede dị ka asụsụ nke mbụ ọrụ 'na' na-arụ n'Igbo izugbe; ọ ga-emekwa ka nkụzi na ọmụmụ 'na' dị mfe, nchọcha a ga-emekwa ka a mata na a na-enweta ụdị ndịiche a n'oluasụsụ dị iche iche, nchọcha a ga-eme ka ndị ọzọ cheta ime ụdị nchọcha n'oluasụsụ ndị ọzọ.*

**Abstract**

*'Na' is one of the important topics in standard Igbo. There are accepted rules of writing 'na' in standard Igbo which include 'na' as: preposition, auxiliary verb, conjunction and verbroot. The researcher's observation that Nekede variety can do without 'na'*

*in some of the rules and still have meaningful sentences motivated the study. The study adopted contrastive analysis of Lado (1957) as its theoretical framework for analysis. It was found that there are both similarities and differences between the use of 'na' in Nekede variety and standard Igbo. The contrastive theory of lado helps to conclude that the knowledge of both the difference of the uses of 'na' in Nekede variety and standard Igbo will felicitate teaching and learning of 'na' for Nekede variety and also other varieties of the Igbo language . The study will help other researchers to delve into the study of 'na' in other dialects.*

**Mkpọlite**

Asụsụ dị oke mkpa na ndụ mmadụ n'ihi na e wepụ asụsụ, obibi ndụ mmadụ agaghị enwe isi. Asụsụ ọ bụla nwere oluonye, oluasụsụ, olundị na asụsụ Izugbe. Asụsụ Igbo nwere ihe ndị a niile. Asụsụ Igbo kwadoro olu a niile n'ihi na ọ bụ na ha ka Igbo izugbe si pulite ma na-etokwa. Igbo izugbe bụ nke a kwadoro e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ, mgbasa ozi n'ikuku na ihe ndị ọzọ n'ihi na ọ bụ ya ka ndị Igbo niile na-aghọta.

N'ọmụmụ asụsụ Igbo, onye ọ bụla na-amụ asụsụ Igbo ga-ezuterịrị ihe ọmụmụ ọrụ 'Na' na-arụgasị n'ụtọasụsụ. Okere (2017) kwuru na o nweghị ka mmadụ ga-esi kwuchaa ihe niile ọ na-ekwu n'ụbọchị ghara itinye 'na'. N'otu aka ahụ n'odide Igbo izugbe, o nweghị ka a ga-esi gbalaha ihe gbasara ọrụ 'na' na-arụ n'ụtọasụsụ Igbo. Anedo (2014:17) kọwara na 'na' na-abatakarị n'ọsụsụ karịa n'odide. Oluasụsụ Nekede anaghị apụta ihe n'odide 'na' n'Igbo izugbe. N'ọsụsụ ka ọ na-apụta ihe nke ọma. Nekede bụ otu n'ime obodo dị n'okpuru ọchịchị Owere West na Steeti Imo. Ọ dịkwa mkpa ka a mata na ọtụtụ obodo ndị ọzọ dị n'okpuru ọchịchị Owere West, Owere Nọtụ na Owere Munisipal na-asụkwa Igbo ka ndị Nekede. Mana ka o sila dị, Nekede ka a gbakwasara ụkwụ wee mee nchọcha a.

Dị ka e kwuru n'ụmịedemede, e ji atụtụ ndịmiche Lado (1957) nke na-atule ndịiche na myiri dị n'asụsụ abụọ a. Oluasụsụ Nekede ga-anọ ọnọdụ asụsụ mbụ/izizi (AM) ebe Igbo izugbe ga-anọ ọnọdụ asụsụ nke abụọ (AA). Nchọcha a ga-achọpụta ndịiche na myiri ọrụ 'na' n'Igbo izugbe na oluasụsụ Nekede. A ga-eji isiokwu ndị a leba anya na nchọcha ụmịedemede, mkpọlite, ntuleghari agụmagụ nke gụnyere: asụsụ, oluasụsụ, Igbo izugbe, ọmụmụ asụsụ, atụtụ nchọcha, ọrụ 'na' n'Igbo izugbe dg; nsekesị, nchọpụta, alo na mmechi.

**Ntuleghari Agụmagụ**

Ebe a ga-ahụ maka ihe ndị odee na ndị ọchọcha ndị ọzọ kwuru maka isiokwu ndị gbara ọkpụrụkpụ pụtara ihe na nchọcha a. Akidi (2015) kọwara asụsụ dị ka onyinye Chukwu n'ebe mmadụ nọ. Ọ gara n'ihu kwuo na e wepụ asụsụ na o nweghị ihe mmadụ na-eme nwere isi n'ihi o nweghị onye ga-aghọta ibe ya. Ya mere na ihe niile mmadụ na-eme gbakwasara ụkwụ n'asụsụ. Okafor na Ewelukwa (2008:11) kwuru na asụsụ dị ka ụzọ ndị ochie chọpụtara mmadụ na ibe ya si ekwurịta okwu, na-agwarịta ibe ha ihe ha chọrọ ka ha mata. Obodo ọ bụla dị n'ụwa nwere oluasụsụ ma ọ bụ olundị nke ndị ochie malitere obodo ahụ ji bido mmekọrịta n'izizi nke na-esi n'aka fere aka. N'otu aka ahụ, agbụrụ niile dị n'ụwa nwere asụsụ nke ha. O kwere ghọta na asụsụ malitere mgbe ụwa bidoro; o nweghị onye nwere ike ịkọwa onye bidoro asụsụ n'ụwa n'ihi o dochaghị anya. A ma onye chọpụtara ụgbọelu, ntanet na ihe ndị ọzọ mana ọ dịghị etu a n'asụsụ.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị Igbo nwe nke malitere mgbe Igbo malitere. Asụsụ Igbo ka ndị Igbo ji eme ihe niile ha na-eme; asụsụ Igbo bụ omenala ha. Asụsụ Igbo pụrụ iche n'ihi na o enweghị asụsụ ọzọ dị n'ụwa ya na asụsụ Igbo nwere otu njirimara kpọmkwem (Akidi 2012:217). Asụsụ Igbo dị ka asụsụ ndị ọzọ a mara ama n'ụwa nwere oluonye, oluasụsụ, olundị na olu izugbe.

Ma oluasụsụ, olundị na olu izugbe nwere usoro na nhazi dị ka nghọta na omenala siri nabata.

Mmadụ na-enwe asụsụ izizi ọ na-ebu ụzọ amụta tupu ọ mụwa asụsụ nke abụọ. Onye ma sọ otu asụsụ dị ka asụsụ Igbo ga-ebu ụzọ mụta oluasụsụ tupu ọ mụta Igbo izugbe. Oluasụsụ na-aka ama mmadụ ọnụ karịa olu izugbe. Ihe ọ masịrị mmadụ gbalịa ịsụ Igbo izugbe, oluasụsụ ya ga-abatarịrị. Nke a bụ eziokwu n'ihi na bụ olundị ka mmadụ ji ebido ịmụ asụsụ. Ọzụzụ mmadụ na-ebido n'ụlọ nne ya. Mmadụ anaghị apụta ụwa bido sụwa asụsụ. A na-amụ asụsụ amụ. Asụsụ a mụnyere mmadụ n'ime ya ka ọ na-ebu ụzọ amụta. A na-ebu ụzọ mụta ịsụ asụsụ tupu a mụta ide ya ede. Mmadụ nwere ike ịmụta ịsụ asụsụ nke ọma ma ọ gaghị ama ide ya ede n'ihi na ọ gaghị akwụkwọ mụọ ka e si ede ya.

Ndịiche a na-enweta n'olundị ka a na-akpọ oluasụsụ. Ịkọwa ma oluasụsụ ma olundị rara ahụ, mana anyị ga-akọwa n'ụzọ haga-ekwe ghọta. Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuọna, ... (2013) n'akwụkwọ nkọwa ha kpọrọ Igbo-adị kwuru na oluasụsụ bụ ndịiche ọ bụla a na-enweta n'otu olundị asụsụ nwere. A bịa n'asụsụ Igbo, e nwere olundị dị iche iche nke gụnyere: Owere, Ọlụ, Ọnịcha, Ngwa dg. Olundị a nwere ike nwee obodo ise ma ọ bụ karịa mewere ha. A bịazie n'obodo ise ndị a, e nwekwara ike na-enweta ndịiche dịkwa iche iche n'ime ha. Ndịiche ndị a a na-enweta n'otu olundị ka e nwere ike ịkpọ oluasụsụ. Ọmụmaatụ, a bịa n'olundị Owere e nwere oluasụsụ Nekede, Orodo, Ubommiri dg. A bịa n'olundị Ọlụ, e nwere oluasụsụ Ideato, Nkwere, Isu, Ọsụ dg. A bịa n'olundị a, e nwekwara obodo dị iche iche mewere ha. A na-enweta ndịiche dị iche iche n'ime ha. Oluasụsụ Nekede so n'otu oluasụsụ dị n'olundị Owere. Sọ otu oluasụsụ anaghị emebe olundị. Ọ rara ahụ ịkọwa ihe olundị pụtara. A na-akọwa olundị dị ka ndịiche dị n'otu asụsụ site n'otu e si akpọpụta ụda, mkpụrụokwu, ka e si emebe ahịrịokwu dg. n'obodo dị iche iche. Olundị bụ olu Igbo dị iche iche a na-enweta na mpaghara ala Igbo dị iche iche.

Obodo na-enwe ndịiche n'olundị site n'otu ha siri biri. Asụsụ ọ bụla nwere olundị, asụsụ Bekee, Frenchị, Awụsa, Yoruba dg nwere olundị dị iche iche.

Ụdị dị iche iche mba si asụ otu asụsụ bụ olundị a na-enweta n'asụsụ ahụ. N'asụsụ ka e si enweta olundị dị iche iche. Ọ bụkwa n'olundị ka e si enweta asụsụ Izugbe. Otu asụsụ nwere ike inwe ọtụtụ olundị. Asụsụ Igbo nwere olundị dị iche iche mewere ya dị ka olu Owere, Mbaise, Ọlụ, Ọnịcha, Nsụka, Ụmụahịa dg. A bịa n'olundị a dị ka e si kpokọta ha e nwekwara ndịiche a na-enweta n'obodo dị iche iche mebere olundị a.

Obodo niile dị n'ala Igbo ketere oke na nkewa a, n'agbanyeghị na e bukọrọ ha ọnụ. N'otu aka ahụ, obodo ọ bụla nwere ihe na-eweta ndịiche n'etiti oluasụsụ ha na oluasụsụ ndị ọzọ. Dị ka e si hụ na nkewa Nwaozuzu (2008) kewara olundị, o kenyere olundị Owere n'East Central group dialect. N'ime olundị Owere ka e nwetara oluasụsụ Nekede. N'olundị Owere, a ga-enweta olu obodo dị iche. N'olundị a, e nwekwara ndịiche a na-enweta n'etiti otu obodo na ibe ya. Asụsụ izugbe bụ olu ahụ a họọrọ nke enweghị ndị a ga-asị na ọ bụ olu ha. Igbo izugbe enweghị ndị nwe ya; kama ọ bụ olundị dị iche iche ka e si nweta ihe a kpọrọ Igbo izugbe. Nke a bụ Igbo onye Igbo ọ bụla na-aghọta. Igbo izugbe ka a nabatara iji kụzi akwụkwọ, izi ozi n'ikuku, na ihe ndị ọzọ. Asụsụ Igbo izugbe na-ejikọ olundị ndị niile dị n'asụsụ Igbo n'ihi na onye Igbo ọ bụla na-aghọta ya.

N'Igbo izugbe, a gbara mbọ webata olundị dị iche iche dị n'asụsụ Igbo. Nke a mere na onye ọ bụla bụ onye Igbo ga-aghọta Igbo izugbe. Igbo izugbe nwekwara ọtọgrafị a nabatara e ji ede ya. Ọtọgrafị a bụ nke e nwetara site n'ụda dị iche iche e si n'olundị dị iche iche nweta.

**Ọmụmụ Asụsụ**

A na-amụ asụsụ amụ bido na nwata site n'ịge ntị. Tupu mmadụ ebido ikwu okwu, ọ ga-ebu ụzọ gee nti. Ọ bụrụ na onye ahụ abụghị onye ogbu ọ ga-ebido na-ekwu ihe ndị ọ na-anụ n'ọnụ ndị mmadụ. Ikwu okwu bu odide ụzọ. Mmadụ na-ebu ụzọ mụta ikwu okwu tupu ọ mụta ide ede. A naghị akụzi odide tupu ekwuwe okwu. N'okwukwu okwu ka mmadụ si akọwa onwe ya, ihe ọ bụ n'uche, ihe ọ ma, ihe ọ chọrọ dg. Asụsụ e bidoro n'ụlọ sụbara nwata bụ asụsụ ọ na-ebu ụzọ amụta. Asụsụ nke ọzọ ọ ga-amụta mgbe ọ mụtachara asụsụ izizi bụ asụsụ nke abụọ ya. Asụsụ mbụ dị iche n'asụsụ nne. Asụsụ nne bụ asụsụ epum. Mgbe ụfọdụ nne na nna na-eji asụsụ abụghị asụsụ ha wee meere ụmụ ha asụsụ mbụ. Ọmụmaatụ nne na nna ndị Igbo nwere ike iji asụsụ bekee meere ụmụ ha asụsụ mbụ. Ọ bụghị iwu na asụsụ izizi mmadụ ga-abụ asụsụ epum ya. Asụsụ izizi mmadụ bụ asụsụ izizi ọ mụtara site na nwata. Asụsụ ọ bụla e rukpunyere mmadụ n'izizi ka ọ na-amụta n'enweghị oke ihe nramaahụ ọ bụla. Asụsụ mbụ ka mmadụ na-amụta tupu o bido akwụkwọ, ebe a ga-akụziri ya asụsụ ọzọ dị ka asụsụ nke abụọ. N'ihi na asụsụ nke abụọ ka a na-amụta mgbe mmadụ tolitere, ọ na-ara ahụ imụta ọ kacha ma ọ bụrụ na ndịiche dị n'asụsụ abụọ ndị ahụ buru ibu. (Ya bụ asụsụ mmadụ mabu na nke ọ na-amụ). Ọ bụrụkwanụ na ndiiche di na ha ebughị ibu, asụsụ nke abụọ na-adi mfe mmụta. Udemmadụ na Chinyeaka (2017) kwuru na ebe asụsụ abụọ na omenala ha bụ otu ihe, a naghị ele anya mmụta ịra ahụ, ebe e nwere ndịiche, a na-ele anya nramahụ, ọzọkwa ndiiche buo ibu nramahụ a ga-enwe ga-ebukwa ibu.

N'ihi na asụsụ abụọ ndị a abụchaghị otu, onye na-amụ asụsụ nke abụọ na-ewere ihe ọ ma n'asụsụ mbụ ya na-ewefeta na nke abụọ ya mere e ji enwe nsụhie na ndejọ. Ọtụtụ mgbe, onye na-amụ asụsụ were ihe ọ ma n'asụsụ mbụ ya na-asụ asụsụ nke abụọ o chee na ya na-asụta ya. N'asụsụ nke mbụ ya, ihe ọ na-asụ ma ọ bụ ede ziri ezi mana e were asụsụ nke abụọ tụlee ya, ihe ọ na-asụ

ezighị ezi. Nke a na-apụtakarị ihe mgbe asụsụ abụọ ndị ahụ yiri onwe.

N'asụsụ Igbo, e nwere asụsụ izugbe na olundi. A na-ebu ụzọ mụta olundi ma ọ bụ oluasụsụ tupu a mụwa Igbo izugbe. Oluasụsụ di ka olu nne ma ọ bụ asụsụ izizi. Asụsụ Igbo nwere oluasụsụ na olundi dị iche iche nke ndị nwe ya na-ebu ụzọ mụta tupu ha ebido akwụkwọ ebe a ga-akụziri ha Igbo izugbe. Di ka anyị matara na a na-enwe ọtụtụ myiri na ndịiche n'etiti Igbo Izugbe na olundị.

## Ọrụ Na N'Igbo Izugbe

'Na' nwere ike ịrụ ọrụ n'ụtọasụsụ Igbo Izugbe dị ka njikọ, enyemakangwaa, mbuụzọ, nsonaazụ na isingwaa. Njikọ, bụ ijikọ okwu abụọ, aha na aha, nkebiokwu na nkebiokwu, nkebiaha, na nkebiaha nkebiahịrị na nkebiahịrị dg. Mgbe 'na' na-arụ ọrụ dị ka njikọ a na-edechapụ, 'na' edechapụ ọmụmaatụ: ji na ede, uche na Chike, mụ ha ya, ihu na azụ.

Mgbe ọ na-ọrụ dị ka nnyemakangwaa, a na-eji akarauihe (-) ejikọ ya na ngwaa ọ na-esote. 'Na' na-enyere ngwaa aka mgbe ngwaa na-egosi ihe na-eme ozugbo, ihe ga-eme n'ọdịnihu, ihe na-eme na mgbe na mgbe, ihe na-eme oge ọ bụla dg. Ọmụmaatụ: Chike na-agba egwu, Obodo na-eme iri ji ọhụrụ kwa afọ, Nnukwu mmiri na-ezokwa afọ, ogiri na-esi isi ọjọọ, Nkita na-eri nsi, Obi na-abịa dg.

Mgbe ụfọdụ 'na' na-enyere mmekangwaa aka, mgbe 'na' na-arụ ọrụ mmekangwaa, a na-eji akarauhie ejikọ 'na' na mmekangwaa. Ọmụmaatụ, ọ na-eti egwu, ha na-ebe akwa, dg. Anedo (2014:31) kwuru na ọ dịkwa mkpa ịkọwa ebe a, na oge ọbụla pesin nke mbụ mkpolu 'm' na pesin nke atọ ụbara 'ha' batara ozugbo n'etiti 'na' na ngwaa, nnọchimpesin akwụrụ onwe ya na-enweghị akarauhie. N'ebe a, a na-edeko ya na nganịihu 'a'

nke na-amalite ahịrị ahụ ọnụ. Ọmụmaatụ: Ana m echu mmiri, Ana m eri nri, Ana ha amụ amụ dg.

Mgbe 'na' na-esote nsonaazụ njụ 'ghi' (ya bụ 'na' dị ka nnyemakangwaa nwere nsonaazụ njụ) a na-edekọ 'na' na 'ghi'. Ọmụmaatụ: ọ naghị eri nsi, ị naghị achị ọchị, Ha anaghị eme ebere, anyi anaghị agazi dg. Mgbe 'na' na-arụ ọrụ isingwaa, a na-ederu 'na' isi ma dekọọ ya na mgbakwụnye ọ bụla batara na ya. Ọmụmaatụ; nara ya ihe, napụ ya mma, nara nna gị ego dg. Emenanjo (1999:76), Ezeomeke (2004), Apakama (2006:51), Okoro (2011:48), Okafọ na Ewelukwa (2012:182) kwuru na ọ bụ sọ 'na' bụ mbuụzọ e nwere n'Igbo Izugbe. Mgbe 'na' na-arụ ọrụ dị ka mbuụzọ, 'na' na-esote okwu bidoro n'ụdaume a na-ewepụ 'a' were rịkọm elu dochie ya. Ọ na-esote mgbochiume a na-ederu ya n'isi etu a 'na'. Ọmụmaatụ mgbe 'na' na-arụ ọrụ mbuụzọ ma ụdaume na-esote ya, a na-ewepụ 'a' were rịkọm elu dochie ya; ọmụmaatụ Obi bi n'Aba, ọ dị ya n'aka, oche dị n'ime ụlọ dg. Mgbe 'na' na-esote mgbochiume a na-ederu 'na' n'isi dị ka: Uche bi na Legos, ife si na chi, Akwa dị na mmiri dg. Echebima (2013) kọwara si na ọ dichaghị mfe ịkọwa ọ bụladị n'asụsụ Bekee ihe mbuụzọ pụtara kama ihe dị mkpa bụ iji ya eme ahiriokwu dị iche iche n'ụzọ dabara adaba. Ọmụmaatụ 'na' n'Igbo Izugbe ga-enye aka ịmata etu e si eji mbuụzọ eme ahịrịokwu dabara adaba na ideta ya nke ọma etu ọ kwesịrị n'ahiriokwu. Mbah (1999:173) na Mbah (2010:30) kwusiri ike na e nwere ọtụtụ mbuụzọ n'asụsụ Igbo. Ọ kọwara na mbuụzọ e nwere n'Igbo dị atọ. N'ime mbuụzọ atọ ndị ahụ nke doro ndị Igbo anya nke ọma bụ nke ọ kpọrọ okwu asụsụ nke ọmụmaatụ ya na Bekee gụnyere: 'on', 'at', 'in' dg. Mgbe e ji 'na' akọwapụta ihe mmadụ kwuru, mgbe a na-arụtụ aka, ihe e ji n'aka na ọ ga-eme, a na-ederu 'na' n'isi. Ọmụmaatụ: Ọla sị na ọ na-abia, Ha ma na ọ ga-anwụ, Ngozi sị na nkwụ juru ebe ahụ dg.

Ọmụmaatụ ndị a e nyere maka 'na' gbasara Igbo Izugbe. E nwere ike inwe ndịiche n'olundị ma ọ bụ oluasụsụ dị iche iche. Ka anyị biazie tụlee 'na' n'Igbo Izugbe na oluasụsụ Nekede .

**Atụtụ Nchọcha**

Dị ka a rụtụrụ aka na ụmịedemede na mkpọlite, atụtụ a ga-eji mee nchọcha a bụ atụtụ nnyocha ndịmịiche Lado (1957). Lado kọwara na e nwere ike ịkọwa ụdị ihe nwere ike ịkpata nramahụ n'ọmụmụ asụsụ. Mmadụ nwere ike iwefe ụdịdị na nghọta o nwere n'asụsụ na omenala ya n'asụsụ mbịarambịa na omenala mgbe ọ na-agba mbọ ịsụ asụsụ mbịarambịa ahụ. Nwa akwụkwọ nwere ike izute nramahụ n'ụfọdụ ihe ọ hụrụ n'asụsụ mbịarambịa n'ihi na ọ dị iche n'asụsụ epum ya. O nwekwara ike izute ụfọdụ ihe dị mfe n'asụsụ mbịarambịa n'ihi na o nwere ihe ndị dị n'asụsụ ahụ yiri asụsụ ya.

Ịmụta asụsụ abụghị nke mmadụ tonyere n'ime ya na-ara ahụ ọ kacha mgbe e nwere ezi ndịiche n'asụsụ ọhụrụ ahụ na nke mmadụ mabụ. Ịmụta asụsụ ọhụrụ na-adị mfe ma ọ bụrụ na e nwere ezi myiri n'etiti asụsụ abụọ ahụ.

Nnyocha ndịmịiche bụ nnyocha na-enyocha asụsụ abụọ wee chọpụta ndịiche na myiri, na nsogbu si n'ime ha apụta. E nwekwara ike ịtụle asụsụ na olundị. Ọmụmaatụ, e nwere ike ịtụle asụsụ Igbo na olundị dị na ya, e nwere ike itule Yoruba na olundị ya; Awụsa na olundị ya. Ya bụ, a ga-enwe ihe a ga-achọ ịchọpụta gbasara asụsụ abụọ, ma ọ bụ karịa. E nwekwara ike inyocha otu asụsụ na olundị ya ma ọ bụ karịa. Mbunuche ntụle ndị a ga-abụ ịchọpụta ihe ndị ga-enye aka itinye n'ọrụ wee gboo nsogbu nkụzi asụsụ nke abụọ ma ọ bụ ịkụzi asụsụ izugbe n'ebe ndị olundị ya maara ahụ nọ. Nchọpụta a na-enweta na nnyocha ndịmịiche na-enyekwa aka ime ka a chọpụta etu onye na-amụ asụsụ si ewere ihe ọ ma n'asụsụ ya wefee n'asụsụ nke ọ na-amụ, ihe ọ mabu si emetụta asụsụ ọ na-amụ, na etu o si ewere ihe ndị yiri onwe ha

n'asụsụ ọ ma na nke ọ na-amụ na agwakọ ha ọnụ. Nchọpụta a ga-enye aka mee ka a mata etu a ga-esi gboo nsogbu ndị a.

Onye nnyocha ndịmịiche na-enwe ọrụ itụle; asụsụ abụọ (asụsụ mbụ na asụsụ nke abụọ ma ọ bụ asụsụ nke chọrọ iji tụlee asụsụ nke e bu n'uche). Ịtụle asụsụ abụọ ndị a ga-eme ka a chọpụta ndịiche na myiri ha ka o nyere onye na-amụ asụsụ aka ịmụta asụsụ n'enweghị nsogbu (Obadan 2016). Anyachọnkeya (1998) kwuru na onye nnyocha ndịmịiche na-atụle ụdị na ndokọ asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa ma buru n'uche ịchọpụta ndịiche na myiri ha. Nnyocha ndịmịiche na-agbado ụkwụ n'ụdịdị asụsụ maka ndịiche ya n'ebe onye na-amụ asụsụ nke abụọ na-enwe nramahụ na nsogbu ịmụta asụsụ nke abụọ a.

Uru nnyocha ndịmịiche bara bụ nkwenye ya na asụsụ nke mbụ nwere etu o si emetụta ọmụmụ asụsụ nke abụọ ma ọ bụ nke ọzọ n'ụzọ ọma ma ọ bụ nke ọjọọ. Nnyocha ndịmịiche gbasara ịtụle asụsụ ndị a na-enyocha iji chọpụta ndịiche ha na myiri ha, nke a ga-enyere onye na-amụ asụsụ aka ịmụta ya ọsọsọ.

Ọ bụrụ na e nwee ndịiche, ọ pụtara na a ga-enwe nramahụ n'ọmụmụ asụsụ nke abụọ, mana ọ bụrụ na e nwee myiri ọmụmụ asụsụ nke abụọ agaghị ara ahụ. Ọ ga-adị mfe. Nnyocha a ga-abụ nke ga-egbo nsogbu a na-enwe n'ọmụmụ na nkụzi asụsụ.

N'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo izugbe 'na' nwere ọtụtụ iwu na-achịkwa odide ya. Iwu dị iche iche na-achịkwa 'na' gụnyere: 'Na' dịka njikọ, mbuụzọ, nnyemakangwaa, isingwaa, dg. Ezeomeke (2004) dere na 'na' bụ nwa obere mkpụrụokwu pere ezigbo mpe n'asụsụ Igbo. Ọ bụ naanị mkpụrụedemede abụọ mebere ya ma ọ dị nnukwu mkpa n'ụtọasụsụ Igbo.

## Ntulekọrịta 'na' n'Igbo Izugbe na Oluasụsụ Nekede

Iji chọpụta ndịiche na myiri e nwere n'ọrụ 'na' na Igbo izugbe na oluasụsụ Nekede ka a tụlee ọmụmaatụ ndị e depụtara na tebuul 1-8

**Tebuul 1**
**Ntụle 'na' dị ka njikọ, n'Igbo Izugbe na oluasụsụ Nekede.**

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 1. Chika na Uche bịara | Chika a Uche biara |
| 2. Mụ na onye na-azọ? | Mụ onye azọ |
| 3. Ụnụ na ya gawa | Ụnụ a ya jema |
| 4. Mụ na ya nwere okwu | Ma ya koga ekoga/ ma a ya arị mma |

N'itụle Igbo Izugbe na oluasụsụ Nekede dị ka o si metụta njiko, a hụrụ na ọtụtụ mgbe oluasụsụ Nekede anaghị etinye 'n' naanị ihe na-apụta ihe bụ 'a'. 'Na' anaghị-apụ kpamkpam. N'oluasụsụ Nekede nke a abụghị nsụhie kama ọ bụ ka oluasụsụ epum ha si dị. Mana a lụtee ya n'Igbo Izugbe ọ bụ nsuhie n'ihi na Igbo Izugbe agaghị anabata ide ya etu ahụ. Dị ka a matara na nnyọcha ndịmiiche na-enyọcha ma na-atụte ndịiche na myiri iji chọpụta ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ ga-esi dị mfe. Ntụle a ga-enye aka mee ka onye nkụzi nwee ike mara etu ọ ga-esi kụziri ndị na-asụ oluasụsụ Nekede ọrụ 'na' nke ọma ka ha nwee ike ghọta ya nke ọma.

**Tebuul 2**
**Ntụle myiri na ndịiche dị na 'na' dị ka nnyemakangwaa n'Igbo Izugbe na oluasụsụ Nekede.**

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 5. Ọ na-aga/eje ubi | O je ubi |
| 6. Uche na-abịa | Uche bịaga |
| 7. Ike na-agba egwu | Ike gbaga avụ |
| 8. Ibe na-eri nri | Ibe riga nri |

N'ọmụmaatụ ndị a o nweghị ebe 'na' batara ma otu n'oluasụsụ Nekede. Ya bụ na nnyemakangwaa 'na' adịghị mkpa n'oluasụsụ Nekede. Ihe oluasụsụ Nekede ji anọchi anya nnyemakangwaa 'na' bụ 'je' na 'ga'.

**Tebuul 3**
**'Na' dịka nnyemakangwaa nwere nsonaazu njụ "ghị"**

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 9. Anaghị m eme etu ahụ | Ejile m eme akpa ahụ |
| 10. Ha anaghị eri ede | Ha ejile eri ede/ ejile ha eri ede |
| 11. Ọ naghị ezu ohi | O jile ezula oshi |
| 12. Ọ naghị agba ọsọ | O jile agbala ọsọ |
| 13. Chịka anaghị ata ahụ | Chika ejile ata anụ |

N'ebe a, Nekede na-eji 'jile' edochi anya njụ (naghị). N'ebe a kwa 'na' abataghị ma ncha, kama 'ji' nọchiri anya 'na' ebe 'le' nọchiri anya nsonaazụ 'ghị'. 'E' na-abụ nganịihu na-esote 'jile' mgbe a na-ekwu maka pesin onye nke mbụ 'm', mgbe a na-ekwu maka pesin onye nke atọ nnọchiaha 'o' na-abụ nganiihu, nganiihu 'e' anaghị abata ma otu. Mgbe a kpọrọ aha mmadụ ana-etinyekwa 'ejile' dị ka a hụrụ na ọmụmaatụ nke '13'. A gaghị ewepụ 'e' dị ka e wepụrụ ya na ọmụmaatụ nke '11' na '12'.

**Tebuul 4**
**'Na' dị ka enyemaka ngwaa. 'na' na-egosi ihe na-eme mgbe niile.**

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 14. Ọ na-eme ihe ike ike | O ji eme ihe ike ike |
| 15. Ọ na-agba egwu | O ji agba avụ |
| 16. Ọ na-azụ ahia | O ji azụ ahia |
| 17. O na-ere ube | O ji ere ube |
| 18. Ọ na-eri ji | O ji eri ji |

N'ihe na-eme mgbe niile, oluasụsụ Nekede anaghị etinye 'na' ma otu. Ha na-eji 'ji' edochie 'na'. Ebe 'ji' na-arụ ọrụ dị ka nneymakangwaa etu 'na' si arụ, o kwesịrị ka e were akara uhie jikọọ 'ji' na ngwaa ọ na-enyere aka etu e si eme 'na'. Nekede nwere ike imebe ahịrịokwu n'Igbo mana ọ gaghị ewebata 'na' n'ụdị ọ bụla.

**Tebuul 5**
**Enyemakangwaa 'na' n'ihe na-eme mgbe ahụ**

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 19. Ọ na-eri nri | O riga nri |
| 20. Ọ na-azụ ọka | Ọ zuga oka |
| 21. Ọ na-abịa | Ọ bịaga |
| 22. Ọla na-eme ihe | Ọla mega ihe |

N'ebe a, a na-eji 'ga' edochi anya 'na' n'olu asụsụ Nekede.

N'oluasụsụ Nekede, n'ihe na-eme mgbe ahụ, 'ga' na-abụ nsonaazụ a na-etinye n'isingwaa. 'Na' anaghị abata ma otu.

**Tebuul 6**
**Ọ bụrụ na e nwee mkpụrụokwu nọchibidoro 'na' dị ka nnyemakangwaa, a na-edekọ nganiihu na nnyemakangwaa ọnụ mana oluasụsụ Nekede ma n'Igbo izugbe.**

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 23. Ana m aga ahịa | Eje m ahịa |
| 24. Ana m aga ọtammiri | Eje m ọtammiri |
| 25. Ana m eri ji | Eji m eri ji |
| 26. Ana m agba egwu | Eji m agba avụ |

N'ọmụmaatụ ndị a, oluasụsụ Nekede anaghị anabata 'na' kama ọ na-eji 'je' edochi 'na'. Ọmụmaatụ '26' na-egosi ihe mmadụ na-eme mgbe ụfọdụ. N'ebe a, ndị Nekede na-ewepụ 'ana' were 'eji' dochie ya.

**Tebuul 7**
**'Na' dị ka enyemakangwaa na njụajụjụ**

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 27. Ọ na-eje ubi? | O je ubi? |
| 28. Ị na-eje ụlọ? | I je ụyọ? |
| 29. Ọ bụ mụ na onye na-azọ? | Ma onye azọ? |
| 30. Ị na-ala? | Ị laga? |

Ebe a kwa oluasụsụ Nekede a naghị etinye 'na' dị ka Igbo izugbe si eme. Na ọmụmaatụ nke '27' na '28' 'je' nọchiri anya 'na'. N'ọmụmaatụ '29' abataghịkwa ma otu. N'ọmụmaatụ '30' 'ga'

nọchiri anya 'na' ebe a, kama 'na' ga-abụ isingwaa ya bụrụzie nsonaazụ a gbakwụnyere na la.

**Tebuul 8**
'Na' dị ka Isingwaa

| Igbo Izugbe | Oluasụsụ Nekede |
|---|---|
| 31. Nara ya ego | Nara ya ego |
| 32. Nata Uche efere | Nata Uche efere |
| 33. Ibe natara ha ube | Ibe natara nwụọ ube |
| 34. Ngozi nabu abịa ebe a | Ngozi naara abịa nga |
| 35. Obi nakwa ekwu ya | Obi jikwa ekwu ya |

N'ebe a, e nweghị ndịiche dị n'etu ndị Nekede si eji 'na' dị ka isingwaa eme okwu na etu Igbo izugbe si eji 'na' eme okwu dị ka isingwaa dị ka ọ dị na ọmụmaatụ '31' na '32'. N'ọmụmaatụ '33' na 33 n'ọmụmatụ '35' e nwere ndịiche n'etiti oluasụsụ Nekede na Igbo izugbe. E wepụrụ 'na' n'isingwaa were ji dochie ya.

**Nchọpụtagasị/Mmechi**
N'Igbo Izugbe na oluasụsụ Nekede e nwere ọtụtụ ndị iche na obere myiri n'etu ha si eji 'na' eme okwu, sọ ebe ha yiri bụ na ebe 'na' na-arụ ọrụ dị ka isingwaa/isiahịrị. N'ọmụmaatụ 'na' dị ka isingwaa (n'ọmụmaatụ 35) ebe e nwere 'nakwa' oluasụsụ Nekede wepuru 'na' were 'ji' dochie ya. Ya bụ ọ bụghị mgbe niile ka oluasụsụ Nekede na-anabata 'na' dị ka isingwaa. Nke a nwere ike iweta nsogbu na nkụzi na ọmụmụ ọrụ 'na' n'ihi na onye na-akụzi Igbo Izugbe nwere ike ịhụta onye na-asụ olu Nekede ka onye na-asụhie Igbo n'amaghị na ọ bụ ka asụsụ epum Nekede si dị. Ọtụtụ mgbe, a na-ahụta olundị dị ka ụdị asụsụ adabaghị adaba, asụsụ a sụhiere

asụhie, asụsụ asụzighị asụzị, asụsụ ezughị oke ma ọ bụrụ na a tụnyere ya asụsụ Izugbe. A na-ahụta asụsụ Izugbe dị ka asụsụ zuru oke, asụsụ chapụrụ a chapụ, asụsụ a nabatara dg. A bịa n'sayensi asụsụ, e nweghị ihe dịka ikpa oke n'asụsụ, nke e nwere ike isi na nke a bụ asụsụ a nabatara ebe nke ọzọ bụ nke a natabaghị. Olundi bụ ndịiche a na-enweta n'asụsụ n'ihi ya, e nweghị olu nke a ga-asị ka ibe ya mma. Kama e nwere ike iji otu olundi tụlee olundi nke ọzọ wee chọpụta ndịiche na myiri dị na ha.

Akmajian, Dermers, Farmer and Harnish (2008) kọwara na ndị sayensi na-asị na asụsụ Bekee nke onye ọ bụla na-asụ bụ otu n'ime olundi nke asụsụ Bekee ahụ i legara nke a anya n'usoro Sayensi asụsụ, ihe a akpọrọ asụsụ bekee Izugbe adabaghị adaba ma a tụnyere ya olundi ndị ọzọ. Asụsụ niile ndị na-asụ asụsụ Bekee na-asụ bụcha olundị.

A chọpụtara na e nwere myiri na ndịiche dịgasị n'etiti oluasụsụ Nekede na Igbo Izugbe. Na 'na' dị ka Isingwaa n'oluasụsụ Nekede na Igbo izugbe yiri mana mgbe ụfọdụ a na-enwetekwa ndịiche na ha dị ka a hụrụ n'ọmụmaatụ '35'. Ma n'ọmụmaatụ ndị ọzọ ha eyighị. Ndịiche a dị n'etiti Igbo izugbe n'oluasụsụ Nekede abụghị nsụjọ kama ọ bụ ka asụsụ epum ha si dị.

Nchọpụta myiri na ndịiche ndị a ga-enyere ndị nkuzi na ụmụakwụkwọ si Nekede aka ime ka nkuzi na ọmụmụ Igbo ọ kacha ọrụ 'na' na-arụgasị n'ụtọasụsụ Igbo dị mfe. Mgbe ụmụakwụkwọ matara myiri na ndịiche ndị a ọ ga-eme ka uche ha dị ya mgbe ha na-amụ ihe gbasara ọrụ 'na' na-arụgasị n'ụtọasụsụ Igbo na ihe ndị ọzọ gbasara ụtọasụsụ Igbo. Atụtụ ndịmiche ga-enye aka ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ dị mfe n'ihi na atụtụ ndịmiiche anaghị ekwu maka so myiri, ọ na-ekwukwa maka ndịiche. Maka na e nweghị asụsụ nke ka ibe ya. Onye nkụzi na-akụzi Igbo Izugbe buru n'obi na e nwere oluasụsụ na olundi dị iche iche ọ ga-enyere ya aka ime ka Igbo Izugbe doo ụmụ akụwkwọ ya anya. Ụmụ akwụkwọ ga-enwekwa ike mụta Igbo Izugbe nke ọma. Ihe ọmụmụ a ga-enye

aka mee ka nkuzi na ọmụmụ ọrụ ‘na’ na-arụgasị n’olundi dị iche iche dị mfe mekwaa ka ndị ọzọ nwee ike mee ụdị nchọcha a n’olundị dị iche iche.

**Felista Chidi Akidi**
Federal University of Technology, Owerri
felistachidi@gmail.com

**Edensibịa**

Akidi, F.C (2012). "Igbo language and its Characteristics" In *Ọja International journal of Igbo African and Asian Studies.* Nnamdi Azikiwe University, Awka pp 212-219

Akidi, F.C (2015). "Ụfọdụ aka mgba chere asụsụ Igbo". *In post humans Festschriff in honour of Romans Obiora Ezeuko.* S.I. Odinye, M.C. Egenti and D.M.A Orji (Eds) Pp 99-111 Onitsha: Djompol Int'l printing and publishing Div.

Akidi, F.C (2016). "Error analysis". In B.M. Mbah (Eds). *Theories of linguistics*. Nsukka: University press.

Anedo, O.A.A (2014). *Ndehie n'ide asụsụ Igbo na ụfọdụ ihe ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo*. Awka: Besiry Books multipurpose publications.

Anyachọnkeya, N (1998). "Contrastive analysis and Teaching of English". In *Fundamentals of Teaching and learning methodology* A.E. Ikediashi and S.U Anyanwu (Eds) Pp73-78.

Apakama, L.M(2006). *Ndụbata N'ụtọasụsụ Na Ụdaasụsụ Igbo* Owerri: Divine Mercy.

Echebima, G (2013). *A textbook of Igbo grammar*. Owerri: Asumpta press.

Emenanjo, E.N (1991). *Nchikọta asụsụ na ụtọasụsụ Igbo Izugbe maka Sekọndịrị*. Lagos: Longaman Nigeria.

Ezeomeke, S.O (2004). *Igodo nghọta ụtọasụsụ Igbo* Enugu: Easy-Ọuality press

Hartman, R. K.K & Stork F.C (1972). *Dictionary of language and linguistics* Amsterdam: Applied Science.

Mbah, B.M (1999). *Studies in Syntax*: *Igbo phrase structure*. Nsukka: prize publishers.

Mbah, B.M (2010). "Category incorporated preposition in Igbo" In C. Uchechukwu & O.B.M Mbah (Eds). *Igbo language*

*studies series* 1. *The preposition in Igbo*. Onitsha: Edmail publication Pp 26-45.

Mbah, B.M., Mbah, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, C.O, Nweze, I.M., Ugwuoma, C.N. Akaeze, C.M., Ọnụ, J.O., Eze, E.A., Prezi, G.O. & Odii, B.C. (2013). *Igbo Adị Igbo-English, English-Igbo dictionary of linguistics and literary Terms*. Nsukka: University of Nigerian press.

Nwaozuzu, G.I. (2005). *Dialects of Igbo*. Nsukka: University of Nigeria press.

Obadan, M.I (2016). "Contrastive analysis" in B.M Mbah (Ed) *Theories of linguistics* Pp182-196. Nsukka: University press.

Okafor, C.U & Ewelukwa, U. (2012). *Nhazi asụsụ Igbo maka ule Sịnịo Sekọndịrị na Kọleji, WASSCE, NECO, GCE, JAMB*. Onitsha: A.C global publishers.

Okere, F.O (2017). *Ndehie 'Na' Nke ụmụakwụkwọ Ngalaba Amụma Asụsụ ala Naijiria Na linguistics*, Alvan Ikoku Federal Kọleeji Keedukeshọn Owere. Semina Maka Ntozu oke Inweta PhD Ọka: Mahadum Nnamdi Azikiwe.

Okoro, L.C (2011). *Mkpanaka onyenkuzi* Owerri: Ark publishers.

Udemmadụ, T. & Chinyeaka .L (2017*). "*A contrasitive study of English and Igbo structures. A challenge to an Igbo ESL". In *interdisciplinary journal of African and Asian studies volume 1 No. 3 www.ijaasng.com* pp 103-113.

Umeodinka, A U & Ogwudile, C.E.C (2107). "The contrastive study of Igbo and English Denominal nouns*". In Unizik, Journal of Arts and Humanities. (UJAH) ISSN: 1413, special Edition* http://www.ajol.info/index.php/ajah/index Pp 406-431.